*Nsukka Journal of the Humanities Vol. 27, No. 2, 2019, pp. 1 – 14*

# Ntụle Ụfọdụ Abụ Ọṅụ Nwa N'agụmagụ Ọnụ Maka Mgbochi Alụkwaghị m Nye Ndị Igbo

**Nnebedum, Theodora Ngozi**
Department of Languages/Linguistics/Literary Studies & Theatre Arts
Alex-Ekwueme Federal University
Ndufu-Alike, Ebonyi State, Nigeria.

**Ụmị**

Nchọcha a tụchara ụdịdị, isi okwu na echiche mejupụtara ụfọdụ abụ ọṅụ nwa Igbo na ezi ọrụ ya nye ezi na ụlọ.Ọtụtụ oge, usoro ebimndụ ọgbara ọhụrụ emeela na ọtụtụ ndị mmadụ anaghịkwa abụ abụ ọnụ, ọ kachasị abụ ọṅụ nwa. Ọtụtụ na-ahapụ abụ ọṅụ nwa ha kwesịrị ịbụ ụbọchị a na-eme mmemme oriri nwa ma na-abụ abụ enweghị ihe jikọtara ya na mmemme a na-eme. Nke a na-ebute na ọtụtụ chere na ịbụ abụ a bụ ikpere alụsị ma ọ bụ ihe ezighị ezi, nke mere ka a na-echefuzị abụ ọṅụ nwa ndị a, sitezie etu a mee ka omenala ndị Igbo na-ala azụ. Ọ bụ ihe ndị a kpalitere mmụọ nchọcha nye ọchọcha a. Mbunuche bụ iji gosi na abụ ndị a nwere ụdịdị ha, echiche na isi okwu ha bu abịa nke na-ezipụta nkwenye na usoro obibi ndụ nye ndị Igbo. Njantụle bụ nke e nwetara site na nchịkọta ụfọdụ abụ ọṅụ nwa jupụtara n'olundị mejupụtara asụsụ Igbo, ebe ebe ngwa nchọcha gụnyere rekọda, ntaneetị na ọba akwụkwọ. E ji atụtụ ezi mkparịta ụka Fairclough nakwa atụtụ ndịnọrụ nke Finnegan wee tụchaa data. Nchọpụta nchọcha a gosiri na: abụ ndị a bụ nke e ji enye nne, nwa na ndị di ndụmọdụ banyere ezi na ụlọ ha. E sikwa na ha ezipụta ndụ na nkwenye ndị Igbo tinyere na abụ ndị a mara nsogbu nke juputara na gburu gburu anyị ta a ma nyekwa usoro mgbochi nye nsogbu ndị a. Ọzọ kwa bụ na abụ ndị a na-esite na nkà asụsụ mejupụtara ha wee zie ozi dị mkpa ma ghara iweta nghọtahie na mmekorita n'etiti di na nwunye. Nchọcha a tụkwazịrị aro ka ndị mmadụ, ọ kachasị ndị ụka ghara ịdị na-ahụta abụ ọṅụ nwa Igbo dị ka mmehie kama, ka ha na-ahụta ya ka ụzọ a ga-esi na-akụzi ọdị-be-ndị, ọdịnala na omenala ndị Igbo.

## Mkpọlite

Omenala ndị nwere ọtụtụ ihe ọ na-etinye ma ọ bụ ewepụta na nzụlite na ntolite mmadụ. Okpoko na Ezeadịchie (2002) kọwara na bụ nnatarachi ndị nke na-ewetara ha mmepe Iji maa atụ, a bịa n'omenala ndị Igbo, ha kwenyere na ụmụ aka bụ nke e kwesịrị ịkpachapụrụ anya site n'oge a mụrụ ha wee ruo oge ha ruru ihe e ji mmadụ eme. Nke a bụ nke na-apụta ihe n'ọtụtụ aha ndị Igbo na-agụ ụmụ ha dị ka; Nwakego, Nwakaakụ, Nwabike, Nwabụonyinye, Nwakaụsọ na Nwabụngozi w.d.g. Nke

a gosiri na ndị Igbo anaghị eji ihe dị na nwa egwu egwu. Ha hụtara nwa dị ka ụdị onyinye amara Chineke na-enye ndị ọ hụrụ n'anya. N'ala Igbo, ezi na ụlọ ọ bụla amụtaghị nwa bụ nke a na-ahụta ka nke ezughị oke ma bụrụkwa nke e kwesịrị imere ebere. Iji kọwaa nke a, Okechukwu (1999) na Ihedigbo (2017:1) kwuru na onye mụtara nwa n'ala Igbo emejupụtala otu n'ime ihe onye ahụ ji maka ya bịa ụwa a. Nke a mere ha ji agụ ụmụ ha ụfọdụ aha ndị a dị n'elu. Ọzọ kwa, ndị Igbo kwenyere na otu onye anaghị amụ nwa, n'ihi na omenala Igbo kọwara na nwa bụ nke ọha. A na-ahụta nke a n'emereme ụfọdụ ndị Igbo na-eme dị ka nlọta ọmụgwọ na abamaba ụfọdụ tinyekwara aha ụfọdụ ha na-aza bụ ndị gụnyere; Obiọra, Adaọra, Igwebụike w.d.g. Ọ bụ ọn̄ụ na ihe omimi ndị a sochiri ọmụmụ n'ala Igbo mere ha ji ejikarị atụmatụ okwu ekwpụta ihe gbasara afọ ime dị ka; o nwere ka ọnọdụ ya dị (maka onye dị ime), ọ rịtuola (maka onye mụrụ nwa ọhụrụ), ọ na-an̄ụ mmiri ọkụ (maka onye nọ n'ọmụgwọ), ọ mụrụ anyị (maka ndị be di nwaanyị oge ọ mụrụ nwa nwoke) ebe ọ mụrụ ha (ndị ọgọ, makaa ndị be nke nwunye oge a mụru nwa nwaanyị), Egudu na Nwoga (1971).

N'ihi na ndị Igbo na-ahụta onye dị ime dị ka onye ya na ndị mmụọ kara mgba, ya na, mgbe nwaanyị dị ahụ abụọ (ịdị ime), ndị niile hụrụ ya n'anya na-achịrị obi n'aka ruo ụbọchị onye dị etu a ga-amụ nwa. Mgbe onye ahụ mụrụ ya bụ nwa, ọ bịa mee na ihu ọchị na-awa, mgbe ahụ, a nụ ihe dị ka Chukwu alụka, Chukwu daalụ na ekene dịrị onye nwe anyị. Ọ bụ ihe ndị a na-ebute iji nzu, an̄ara na achịcha wee na-ezipụta ọnọdụ obi ha. Ọzọ kwa, ụmụ nwaanyị na-eji ohere dị etu a wee kwupụta etu obi dị ha ma dụọ ndị di ha ọdụ ka ha mara na ịmụ nwa adịghị mfe site n'abụ ọn̄ụ nwa.

N'agbanyeghị ọtụtụ ụmụ nwaanyị aha ha adara ụda na Naijiria dị ka:Amịna Zarị, Madam Emosa na ọtụtu ndị ọzọ dị ka Shokpaka(2002) siri kọwaa, a abịa n'ala Igbo, ụmụ nwaanyị bụ ndị a na-ahụta ka ndị enwechaghị ọnụ okwu oge ha amụghị nwa be di ha, Ugwu (2014) n'ime Ihedigbo (2017). N'ihi ya, ha na-eji oge ha mụchara nwa ma na-agụ abụ ọn̄ụ nwa wee kwupụta ihe ndị ahụ dị ha n'obi n'ihi na ha matara na oke ọn̄ụ na-esochi amụmnwa agaghị ekwe ndị di ha ghọtahie ha. Iji kwado nke a, Ebeogu (1992), kwuru na an̄ụrị na ọn̄ụ na-esochi amụmnwa n'ala Igbo na-ezipụta ọnọdụ ime mmụọ ọfọdụ ụmụ nwaanyị na-anọ ọtụtụ oge. Ihe ndị a niile mere ọchọcha ji bagide nchọcha maka ịtapị ma wepụta isi okwu, echiche na nkụzi abụ ndị a. Ebumnuche bụ iwepụta isi okwu, nhazi, nghọta na myiri na ndị-iche dịgasị n'abụ ndị a site na nhazi ha. Nke a bụ nke nchọcha a ga-eme site n'ịza ajụjụ ụfọdụ bụ ndị gụnyere: Kedụ ụdị abụ abụ ndị a dabara na ya, olee ihe ndị mejupụtara isi okwu ha tinyere ma o nwere echiche na nghọta ha ji bịa?

Mgbe a zachara ajụjụ nchọcha ndị a, nchọpụta sitere na nchọcha a ga-enye aka n'ebe ọ dị ukwuu ịhụ na ndị mmadụ bidokwara bụwa abụ ọn̄ụ nwa oge a mụru nwa ọhụrụ. Ọ ga-eme ka a mata echiche dịgasị n'isi okwu abụ ndị a, ghọta ma were ha gboo mkpa ọkachasị ebe o metụtara alụmalụ. Ọzọ bụ na mpụtara nchọcha a ga-enye aka

ime ka e wepụta ọrụ na uru ụmụ nwaanyị bara na-ebe o metụtara mwulite na nkwalite omenala na ọdịnala asụsụ Igbo.

Iji hụ na nchọcha a mịrị ezi mkpụrụ, ọchọcha nwara oko ya n'ịchịkọta nchọcha ya n'okirikiri ntụle isi okwu abụ ọṅụ nwa. Site n'ime nke a, ọchọcha nwetara obere ihe mkpọbi ụkwụ mgbe ọ na-eme nchọcha ya nke otu n'ime ha bụ ntapị na ntụgharị ụfọdụ abụ ndị a dị n'olundị nke ọchọcha aghọtaghị ma e wezuga enyemaka onye ntapị ya na ya so gaa ịchịkọta data. Ọzọ bụ na ụfọdụ ndị ọchọcha nwetara bụ ndị nwere mmasị naanị n'ịbụrụ Chineke abụ otito n'ụdị ndị ụka ma hapụzịa abụ ọdịnala ọṅụ nwa e ji mara ndị Igbo. Ka o sila dị, ọchọcha mere ka ha mata uru ọ bara obodo ichekwaba ihe e ji mara ha. N'ikpe azụ, ha kwenyere ma bụọkwa abụ ọṅụ nwa n'olundị ha dịgasị iche iche.

**Ntụlegharị agụmagụ**

Abụ ọdịnala ma ọ bụ abụ ọnụ Igbo dị ka ọtụtụ si akpọ ya pụtara otu ihe. Okebalama (2003:65) kwuru na ihe ndị Igbo na-akpọ abụ ọnụ Igbo bụ agụmagụ dịgasị n'ụdị mbem, uri na ngụgọ a na-abụ, na-agụ n'imerime emume ndị Igbo ji ebi ndụ ha. Emume ebe a gụnyere alụmalụ na emụme ọṅụ nwa ọhụrụ. Nwadike (2003:72), kwenyere na nke a oge o kwuru sị, "ndị Igbo nwere abụ ọdị-be-ndị (omenala) ha kamgbe ọkpụ". Ọ gara n'ihu kwuo na kamgbe ụwa gba ọtọ ka ndị Igbo rọrọ abụ ọdịnala ha maka iji wee na-ehunyere ụmụ chi dịgasị iche iche. N'akụkụ nke ya, Ụzọchukwu (2006) hụtara abụ ọnụ ka ncherịta ihu abụ ederede. Ebe Ọkanụme (2016:2) sị na abụ ọnụ adịghị ka ogbo ya nke ederede nke ndị gụrụ akwụkwọ na-ewepụta oge were dee kama, na ọ bụ nke a maghị onye chịkọbara ya na oge e ji chịkọba ya. Ọ bụghị naanị nke a, abụ ọdịnala na-abịakwa nwee echiche miri emi, nke ga-eme na nghọta ha na-adị ka o zoro ezo nke na ofeke anaghị aghọta ya. N'ịghọta mpụtara abụ ọnụ, onye na-ege ya ga-amata asụsụ a na-ekwu maka ya nke ọma. Ya a bụ, ịma ya n'ụtọ-asụsụ na n'ogo oge ya bụ asụsụ nọ n'ọnọdụ ndị n'oru. N'ịkọwapụta nke a, Nwoga (1982) mere ka a mata na ọ bụ ezi okwu na a na-enwe mgbanwe n'agụmagụ ọnụ mana mgbanwe ndị ahụ anaghị emetụta mmà dị n'isi okwu site n'aka nka ha n'ihi na nkà ndị a na-esite n'agbụrụ wee fere n'agbụrụ ọzọ. A ga-esitezi na nkọwa ndi ọchọcha a wee kwuo na abụ ọnụ bụ mkparịta ọdịbara gboo nke sitere n'aka ndị nna nna anyị ha wee ruo anyị aka bụ ebe ha si wee hafee anyị omenala n'aka.

Ndị iche dị na ha bụ na, mgbe abụ ọṅụ nwa bụ ozugbo a mụchara nwa ọhụrụ ka a na-agụ ya iji nwee aṅụrị, abụ nwa bụ nke nne ma ọ bụ nwa na-eku nwa ji eme nwa ka ọ rahụ ụra. N'ịkwadọ nke a, Nwadike (2003:85) kọwara na, "Abụ ọṅụ nnwa bụ abụ dị iche iche a na-abụ maka ọmụmụ nwa-mgbe a mụru nnwa, mgbe nne ya nọ n'ọmụgwọ, oge nkupụta nnwa, ịpụ ahịa nnwa…". Ebe Okebalama (2003:76) kọwara na otu ihe mere ndị Igbo ji abụ abụ ọṅụ nwa ma ha mụchaa nwa ọhụrụ bụ n'ihi na ọmụmụ nwa na-ewepụrụ nwoke na nwunye ya nkọrọm onụ. Nke a mezịrị na e nwere ike ịhụta abụ ọṅụ nwa dịka abụ ndị ahụ na-eziputa ọtụtụ na ọmụmu nwa, tinyere abụ ụmụ

nwaanyị ji ezipụta ọnọdụ aṅụrị nye onyinye amara ha nwetara site n'aka Chineke.

Na nkọwa niile ndị a dị n'elu, otu ihe doro anya bụ na abụ ọṅụ nwa ọdinala Igbo nwere echiche na isi okwu ha bu abịa, nwee ọrụ ha na-arụ n'ebe o metụtara alụmalụ ma nwekwaa ozi dị mkpa ha na-eweta site n'isi okwu ha ji bịa na gburu gburu mmadụ bi.

Isi okwu n'agumagụ bụ okwu ọ bụla pụtara ihe ma ọ bụ ozi ya bụ agụmagụ ji bịa. Okebalama (2003: 24), kwuru na isi okwu nwere ike bụrụ maka dike, anụmanụ, mmụọ ma ọ bụ ihe ọ bụla e kere eke. Ezigbo abụ ọdịnala Igbo ọ bụla na-agbaso usoro na ndoko okwu ndị a iji site na ndịna wepụta isi okwu ha. A sị ka e kewaa abụ ọnụ Igbo site n'isi okwu, ọ na-adị n'ụdị abụ ikpe, abụ nkụzi, abụ nkọcha, abụ nwa, abụ ọṅụ nwa na ọtụtụ ndị ọzọ. Ọ bụ ezi okwu na isi okwu ọ bụla nwere ihe ọ na-alụtụrụ aka mana, nke ọ bụla na-ewepụta echiche nkà mma ya site n'usoro nhazi ahịrị abụ ahụ n'ụdị n'ụdị site n'etu ọkàà abụ siri chọọ itinye nke ya. Na ntinye nke ha, Mbah na Mbah (2007:131), kọwara na ọ bụ ezi okwu na ọkà abụ ọ bula nwere usoro nzipụta nke ya mana, ihe doro anya bụ na mgbe a chịkọtara abụ ndị a, na a na-ahụ echiche na nkà mma ha site n'usoro ndokọ ha. Ọ bụzị ọrụ onyocha ime ka ozi ndị a pụta ihe, rụọ ọrụ ma baara ndị gere abụ ahụ uru. Nke a mere ka Chinagọrọm (2013;37), kwuo na ome nnyocha n'isi okwu agụmagụ ga-abụrịrị onye nwere ezi mmụta banyere asụsụ ọ na-eme nnyocha maka ya. Isi okwu bụ mgba ama nye ọgụụ banyere echiche agumagụ bu bịa.

**Ntụlegharị atụtụ**

Atụtụ ọrụ mpụtara ihe bụ nke sitere n'atụtụ nsi n'ụbụrụ wee pụta. Atụtụ a na-atụle etu ọnọdụ ụbụrụ mmata mmadụ si apụta n'omume onye ahụ. Ọ na-eji ihe mere onye ahụ, mmadụ ma ọ bụ ihe mmadụ matara maka ya were na-atụnyere mmekọrịta onye ahụ na gburu gburu ya. N'ihi na agụmagụ bụ enyo e ji ahụ ndị nwe ya, ọ bụ nke a mere na agumagụ na-emetụta ndụ ndị mmadụ n'ụdị pụrụ iche. Iji mee ka nke a pụta ihe, a na-ahụtazị agụmagụ dị ka ngwa ọrụ e nwere ike iji wepụta ezi akparamagwa nye ndị mmadụ. Ọ bụ nke a mere Finnegan (1977) jiri kwuo na agụmagụ nwere ike ibuli ma ọ bụ kwatuo mba.

**Atụtụ nsi na mmà abụ**

Atutụ a bu nke Rotherberg (1969) tụpụtara mana ntụpụta a malitere n'ihe dị ka agbata afọ 1960-1961 dị ka Hymes (1982:164) siri kwu. Ọtụle abụ a tụpụtara atụmatụ a oge ọ bagidere ntụgharị o ji tụchaa nkà mma abụ ọdinala ndị mba Amerịka. Ka e mechara, onye a na-akpọ Hymes bịara mụbawanye atụtụ a n'afọ 1982. Dị ka Hymes si tụzie aka nke ya nye abụ, ọ kwuru na ọ bụghị naanị na uneri abụ ọnụ ka mma na-adị kama na ọ bụ n'ụdị ụda na usoro tinyere na ọdịmara abụ ndị a na-esite na nghọta omenala ndị nwe ya wee nye echiche.

Ka o siladị, atụtu a akọwaghị n'uju emereme na nkà mma abụ ọnụ na nkọwa ya. N'ihi ya, ọtụtụ hụtazịrị ọrụ ndị ntụghari abụ ọnụ ndị mba Amerika a dị ka nke ezughị ezu n'ihi na ozi na ekemekeuche abụ ọnụ ndị a ji bịa bụ

nke a na-achọwa achọ mgbe e mechara ntụgharị ndị a. Nke a mere na a gaghị e ji atụtụ a wee tụchaa abụ ọṅụ nwa asụsụ Igbo maka na abụ ndị a bụ nke ọtụtụ emereme na-esochi mgbe a na-agụ ha.

**Atụtụ ntụcha nkà**

N'agụmagụ, ọkachasị nke ọnụ, e nwere ọtụtụ atụtụ e nwere ike iji tụchaa data nke otu n'ime ha bụ atụtụ nkà. Atụtụ a na-abagide iji amụmamụ sayensị asụsụ wee tụchaa agụmagụ. Nke a ka ọ na-eme site naanị n'ịtule atụmatụ okwu na atụmatụ echiche mejupụtara agụmagụ a na-atụcha. Atụtụ a na-agakwa n'ihu tụlee nhazi mkpụru okwu mejupụtara ọrụ o ji n'aka mana mperi ya bụ na ọ naghị atụlekọrịta isi okwu na echiche agụmagụ bu bịa.

**Nchọcha e merela n'isi okwu**

Agụmagụ abụ ọdịnala Igbo ka bụ obere nchọcha ka e merela maka ya. Iji maa atụ, Ebeogu (1992:45) mere nchọcha nke ya banyere ọnọdụ ọnatara chi ụmụ nwaanyị dị ka o si metụta abụ nwa ndị Igbo. Ebumnuche nchọcha ya bụ ịchịkọta nke na ụdị abụ nwa Igbo dịgasị iche iche ebe usoro nnweta data ya gụnyere iji abụ dị iri anọ n'ọnụ ọgụ dị ka ihe mgbado ụkwụ. Ọ chọpụtara na abụ ndị a siteré na steeti ndi Igbo dị iche iche ji ozi mmetụta ụmụ nwaanyị n'obi jikọrọ ha. Nchọcha nke Ebeogu a na nke a anyị na-eme yitere n'ihi na ha abụọ na-atụlekọrịta abụ ọnụ nye amụm nwa n'ala Igbo. Mana ihe dịzi iche bụ na mgbe Ebeọnụ tụlere ọnọdụ ọnatara chi nye ụmụ nwaanyị ebe ọ metutara abụ ọṅụ nwa, nke a na-ewepụta nke n'ụdị, isi okwu na echiche ụfọdụ abụ ndị a bụ bịa. Chilụwa (2009) tụlere mpụtara emereme abụ ọṅụ nwa ndị Ngwa. Nke a ka o mere site n'iji omenala ndị Ngwa wee tinye n'ọrụ ebe o metụtara nwa nwoke na nwaanyị. Ọ bagidere nchọcha ya n'ihi na ọ chọrọ izipụta etu ihe niile banyere ọgụgụ na ọgbụgba egwu ọṅụ nwa ndị si bụrụ njiri mara nye ndị Ngwa. Nchọcha ya gbasoro usoro ntụcha ezi mkparita, iwu nsọpụrụ na mpụtara ihe asụsụ n'ịtụchaa data ya. Nchọcha ya chọpụtara na e nwere njikọlọ banyere etu ndị nwe abụ si etinye asụsụ n'ọrụ na etu ha si abụ ya mgbe a mụrụ nwa ọhụrụ. Nchọcha a na nke a anyị na-eme nwere myiri n'ihi na ọ bụ ezi okwu na Chilụwa mere nke ya naanị na Ngwa mana nke a jikọtara ala Igbo niile, ha abụọ ka atụlekwara banyere abụ a na-abụ mgbe a mụchara nwa ọhụrụ. Ndị iche dị na ha bụ na mgbe nke ya na-atụle emereme dị ka o si metụta omenala, nke a na-atụle isi okwu na dị ka o si metụta echiche.

**Atụtụ njirime nchọcha**

Atụtụ ezigbo ntụcha ụbụbọ a bụ nke otu n'ime ndị tụpụtara ya bụ Fairclough n'ime afọ (1995). Dị ka nwa amadi a siri kwuo, ọ sị na ihe niile banyere agwa mmadụ na-akpa bụ nke hibere isi na nghọta ntọ ala, nkwenye na ekpemekpe onye ahụ. Fairclough n'atụtụ ya nke (1989, 1992 na 1995) n'ime Ndịrịbe (2017:137) wepụtara ụzọ ntụzi aka atọ maka ntụcha ezi mkparịta ụbụbọ. Ntụzi ndị ahụ gụnyere:

- akarangwa ntụcha bụ ndị ihe mejupụtara ha bụ ekwumekwu, nhụrụ anya, nkwenkwe na ndetu nhụrụ anya;
- usoro nnweta akarangwa bụ ndị

gụnyere; ederede, eserese ọgụgụ na elemanya;

- akụkọ ala na-achị ya bụ usoro.

Ọ bụ ùkwù mgbado ụkwụ ndị a ka atụtu a sịrị ka ọtụcha were na-atụcha asụsụ. O mere ka ọtụcha mata na nke ọ bụla ọ gbasoro, na a ga-enwerịrị ebe ntụcha ya ga-adabere. Iji maa atụ, mgbe a na-atụcha akwụkwọ, ọ sịrị ka a gbasoo usoro nkọwa, mana, ọ bụrụ usoro ime ihe, a gbasoo ntapị ebe a ga-agbaso usoro nkuzi maka ihe ndị na-eme/a na-ahụ n'ogbe. Ọ kọwara na ihe kacha mkpa n'atụtụ a, bụ ime ka ọtụcha gbado anya n'ihe kpatara ihe jiri mee. N'ebe a, ihe kpatara ụfọdụ ndị Igbo ejighịzị abụ abụ ọ̀nụ nwa bụ n'ihi na ọtụtụ anaghị enwe ohere ige ntị n'isi okwu na echiche abụ ndị a na-ewepụta, tinyere mgbaso ntọala ibi ndụ ndị ọzọ ná abụghị nke omenala Igbo. Usoro atụtụ a jị atụcha data bụ ịsị na abụ a na-atụcha nwèrè ihe jikọrọ ya na gburu gburu a gụrụ ya. Nke a pụtazịrị na etu ọgụụ ma ọ bụ ogee si nabata ya ga-agbanye n'etu nghọta na nkwenye o nwere n'ogbe ya siri dị.

Ka o sila dị, atutụ a ritụrụ mperi n'ihi na ụfọdụ oge, ọtụcha nwere ike tụchaa data o nwetara nhụrụ n'uche ya ma ọ bụ ihe o nwetara na neetị ọ gaghị abụ na-ebe atụtụ kwuru ka e si nweta ihe mgbado ụkwụ ka e si nweta ya. N'agbanyeghị nke a, ọtụcha sonyeere Ndịribe (2017:146), kwenyesie ike na atụtụ a dị nnukwu mkpa nye onye ọ bụla na-atụcha mmekọrịta mmadụ na ibe ya site n'abụ.

A bịa na dị ka o si metụta ọrụ mpụtara ihe, ọ na-ekwu na agụmagụ ndị ọ bụla bụ nke kwesirị ịhụta nsogbu dị na gburu gburu ma tụọ aro etu a ga-esi gbochie ya. Ndị bu atụtụ a n'isi ka a kpọrọ ndị ome nke a hụrụ anya n'ihi na ha kwenyere na o kwesịrị ka a na-ekwu ekwu ma na-emekwa eme n'ihe gbasara agụmagụ nakwa gburu gburu ọ batara. Nke a ka Finnegan (1977) kọwara na ihe butere mmekọrịta a dị n'etiti agụmagụ na ndị nọ n'ogbe bụ n'ihi na onye ọ bụla bi n'ogbe nwere ihe ọ na-etinye ma ọ bụ ewepụ iji mee ka ebimndụ na-aga n'ihu. Ebe ọ bụ na atụtụ a na-achịkọta ogbe, ndị bi na ya tinyere agụmagụ ọnụ, ọ bụ nke a mere nchọcha a ga-eji were atụtụ a wee tulekọrita isi okwu, echiche na mejupụtara abụ ọ̀nụ nwa Igbo.

**Usoro nchọcha**

Usoro nchọcha ọchọcha gbasoro wee mee nchọcha a bụ ịga ebe a na-amụ nwa, soro ndị nọzurula laa ma soro ha gụọ ma gbaa egwu ọ̀nụ nwa. Ka nke a mesịrị, ọchọcha detukwara ọtụtụ abụ ndị a. Ọzọ kwa bụ site n'inweta ọtụtụ echiche site n' ọba akwụkwọ, ntaneetị, atụtụ na echiche ndị ọchacha ndị ọzọ. A gbakwara ọtụtụ ndị mmadụ ajụjụ ọnụ banyere abụ ọ̀nụ nwa.

**Ntụcha abụ**

**Isi okwu: nwa dị ka ihe nnweta**

N'ihi na ndị Igbo bụ ndị ejighi ihe gbasara nwa egwu egwu, ha na-ahụta nwa dị ka nke ga-esi naanị n'aka Chukwu. Iji maa atụ, abụ nke **4** na mgbakwụnye zipụtara nke a dị ka: Ihe ha ji eme nke a bụ n'hi na ha kwenyere na ngọzị Chukwu na-efe efe, na nkwenye ha, mgbe ndị na-achọ nwa sonyere gụọ abụ ndị a, ọ na-adọtara ha ngọzị nke ha. N'abụ a, ọ zipụtara na ọ

bụghị naanị ngọzị nwa kama, na ihe ọma ndị ọzọ na-esietzi na nwa wee pụta.

Onye ọ bụla metụ aka n'afọ.
(Mgbakwụnye abụ 4)

N'ihi nke a, mgbe nwaanyị mụchara nwa ma si ụlọ ọgwụ lọta ma ọ bụ mgbe a na-eme oriri nwa, ndị ụmụ nwaanyị ibe ya na-agbakọta na be nwaanyị ahụ were nzu e gwere egwe na-ete, ayọnye ndị mmadụ ma na-abụ abụ ọṅụ nwa.

**Nwa karịrị ihe nweta niile: mgbakwụnye abụ 10 na 4**

N'abụ a dị n'elu, anyị hụtara nkwenye ndị Igbo nye nwa. Ndị Igbo kwenyere na Chukwu na-enye nwa ma na-enyekwa ego. Ha kwenyekwara na onye nwere nwa enweela ego. Anyị ga-ahụ nke a n'ụneri abụ nke anọ n'abụ 4 tinyere nke atọ n'abụ 10 mgbe ọ sị:

Onye ọ bụla metụ aka n'ego Orie, ego Orie na
Egō nwa akọna m.

N'ebe a, ihe egō nwa pụtara bụ ego nwata na-akpata ma o too. Nke a bụ n'ihi na ama ndịIgbo ka ndị maara anya azụmahịa mere ha ji nwere **ego Orie** dị ka nnọchịte anya ihe ọma so nwa. Nke a na-akọwazị na onye nwere nwa e nweela ego tinyere na onye nwere nwa e nweela ụgbọ amala. Ihe ha ji nwere ụgbọ amala mee nnọchiri bụ n'ihi na abụ ọṅụ nwa **Olisa nye mụ nwa** bụ ndị bidobere osimiri Naịja na-abụ ya. Ọzọ bụ na, n'oge e jiri bụba abụ a, ọ bụ ụgbọ amala bụ ihe e ji eme njem ma tinyere na ọ bụ naanị ndị kpatara ego igwe na-enwe ya. Ọzọ dị ka ibe ya, ose ọkwọ ọdụ bu ahịa e ji mara ndị ji ego n'akụkụ Ọmanmara, n'ihi ya, ha ji ụgbọ amala na ose (ahịa) wee nochie anya mkpata ego igwe. Lee ahịrị ndị zipụtara nke a:

Oyoyooo, ụgbọ ego amala n'óséé.

**Ọmụmụ na ọzụzụ nwa dị mkpa: Mgbakwụnye abụ 9**

N'ahịrị abụ ndị a dị n'elu nwa pụtakwara ihe dị ka ihe onyinye si n'aka Chukwu ma karịsịa ihe niile e kere eke. Nke a bụ n'ihi na abụ a hụtara nwa dị ka nke e kwesịrị mkpachapụrụ anya pụrụ iche mgbe ọ sị: …nwa karịrị ego igwe.

Abụ kọwara na ọ bụrụ na a kpachapụrụ nwa anya na ọ ga-enye ndị mụrụ ya uru karịrị ego n'ihi na ihe nweta ndị ọzọ na-esochi nwa o si etu a gosipụta nke a n'uneri nke 4 mgbe ọ sị na **nwa bụ ụwa ọma**. Echiche dị n'ime isi okwu a gosiri na onye mụrụ nwa nwa ma zụọ ya e nweela ụwa ọma n'ihi na onye nwere ụwa ọma enweghị ihe na-akọ ya.

**Echiche: Agbamume**

Ọtụtụ mgbe, ụmụ nwaanyị na-ahụta abụ ọṅụ nwa dị ka ihe ha ji aja onwe ha ike ma ọ bụ agba onwe ha ume. Nke a bụ n'ihi na ụmụ nwaanyị matara ihe ha na-agabiga oge ha dị ime nke mere na ha kwenyere na ngwere si n'elu daa ọ hụghị onye jara ya ike, o wee jaa onwe ya ike. Isi okwu a pụtara ihe n'abụ ọṅụ nwa dị na mgbakwụnye nke 6 na 7: N'ụwa ta a, onye ọ bụla maara na goldụ ma o bụ ọla edo bụ ihe di oke onụ nke n'abughị onye ọ bụla na-enweta. E ji gooldụ ejipụta ọpụrụ iche ọbụlagodi n'ama egwuregwu. Ya ka a na-enye onye kachasị nwee mgbarị ma ọ bụ

kpaa ike. Nke a mere n'ọtụtụ na-agụ nwa ha Gooldụ ma ọ bụ Ọlaedo dị ka aha. Etu ụmụ nwoke si ahụta di nta gburu agụ ka ụmụ nwaanyị si ahụta gooldụ na moto na-ebe amụmnwa dị (Abụ 6: A mụsiri gị ike). Ha kwenyere na nwaanyị mụrụ nwa n'udo na di nta gburu agụ abụrụla otu, nke a pụtara ihe n'ahịrị abụ ndị a: goolụ ya goldụ oooo, goolụ ya moto ooo …goolụ ya ije nwa siri ike. Isi okwu abụ a na-ezipụta na o nweghị ihe nwoke ga-azụrụ nwunye ya mụrụ nwa a ga-asị na ọ karịrị akarị n'ihi na ihe mgbu ụmụ nwaanyị na-ahụ n'afọ ime siri ike ma karịkwaa akarị. Mana, n'ime ya ka ọ tọọ ụtọ na ntị, ha na-abịa gbanwee usoro nhazi ụtọ asụsụ akụkụ ya bụ abụ 6 ka ọ bụrụzia: 'Amụ siri ya ike'

**Ịhụnanya nye ndị di ha**

Anyị ga-ahụta ịhụnanya pụrụ iche ụmụ nwaanyị ala Igbo na-enwe n'ebe di ha nọ n'ime uneri abụ ndị a. N'agbanyeghị na ụmụ nwaanyị na-eji isi ekpe ekwere mgbe ha dị ime nakwa oge ha na-amụ nwa, ọtụtụ n'ime ha na-anwụkwa ma ọ bụ nwa ha anwụọ. N'agbenyeghị ụdị ọdachi a nwere ike ịdapụta site n'afọ ime, ha na-abagidekwa njem afọ ime iji mee ka obi dị ndị di ha mma. Iji maa atụ, lee mgbakwụnye abụ nke **10,** mana akụkụ ya si etu a dị;

> Aga m amụtara gị nwoke.
> Mụtara gị nwaanyị ejima.
> Obi adị gị mma.

N'abụ ọṅụ nwa nke a, echiche na mputara isi okwu ahịrị ha gosiri na ịhụnanya na ime ndị di ha obi ụtọ so n'ime otu ihe ụmụ nwaanyị ji atụrụ ime ọ bụnagodụ mgbe ha achọbeghị. Naanị iji mee ka obi dị nwoke mma, nwaanyị na-abagide njem nwere ike ịta isi ya. N'ezie e cheghị m na o nwere ịhụnanya karịrị nke a.

**Nwa dị ka nke ọhà**

N'ala Igbo, nkwenye ọdịnala, omenala na ọdị-be-ndị ndị Igbo kwenyesiri ike na otu onye anaghị enwe nwa. Nke a ka a na-ahụta n'ebe ndị nwoke na ndị nwaanyị nọ. Iji maa atụ, ọ bụ ezi okwu na nwoke na nwunye ya nwere ike mụọ ma zụọ nwa ha nwaanyị, mana, mgbe ọ bụla nwata nwaanyị ahụ ga-alụ di, iwu ka ọ bụ na nna ya ga aga kọọrọ ụmụ nna ya. Ọ bụrụkwanụ na nwata nwoke etoruo ịlụ nwaanyị ma ọ lụghị, ụmụ nna ya ga-atụkọ ego nye ya ka o wee lụọ nwaanyị ma ha chọpụta na ọ bụ ego bụ nsogbu mere na ọ lụbeghị nwunye. Mgbakwunye abụ **9** zipụtara nke a. Ihe o ji zipụta ya bụ n'ihi na dị ka anyị maara na ọ bụ ndịna na-ewepụta isi okwu nye ngalaba agụmagụ ọ bụla, n'ihi ya, nghọta na mpụtara abụ a bụ nke zoro n'ime asụsụ nka e ji gụ pụta ya. Ebe a, ọ gụrụ ka onye nụrụ akwa nwa bịa ngwa ngwa n'ihi na otu onye amụghị nwa; mana ịnụ akwa nwa ebe a apụtaghị naanị oge nwa a hụrụ anya na-ebe akwa kama ọ gụnyere mgbe mmadụ hụrụ onye nke ya ka ọ nọ na mkpa, ka o nyere onye ahụ aka n'ihi na iwu ekwughị na ọ bụ naanị ndị mụrụ onye ahụ ga-egboro ya mkpa ya. Lee ya n'ahịrị abụ ndị a:

> … onye nụrụ akwa nwa bịà
> ngwa ngwà na ofu onye amụghị nwa.

**Ụdịdị**

A bịa n'ikewa abụ site na nke na ụdị ya dị ka o si metụta a chocha a, ahụtara

nke na **ụdịdị** abụ dịgasị iche iche site n'isi okwu na echiche abụ. Dị ka anyị maara na ọ bụ Isi okwu, ụda olu na ọnọdụ bụ ọkpụrụkpụ ihe atọ a na-agbado ụkwụ wee na-enweta ụdịdị abụ Igbo. Mgbe ọ bụla a chọrọ ikewa abụ site n'ọnọdụ, a na-atụle ma ọ bụ ọnọdụ iwe ka ọ bụ nke aṅụrị. Mgbe mmadụ nọ na nnwute ọ na-ezipụta ọnọdụ iwe ebe ọ na-ezipụta aṅụrị oge obi dị ọbụụ mma. Dị ka aha ya si dị; 'abụ ọṅụ nwa' nke mere na okwu akọwaara onwe ya. N'abụ ọṅụ nwa Igbo, a hụtara ọnọdụ aṅụrị n'ọtụtụ ha.

**Abụ aṅụrị**

Abụ dịgasị na mgbakwụnyere **1, 2,** na **5** bụcha abụ aṅụrị. N'ala Igbo, mgbe ọtụtụ ụmụ nwoke na-esite oriri na ọṅụṅụ ezipụta nnweta na obi dị ha mma, ụmụ nwaanyị na-esite n'ịchọ mma na ihe ndị a na-eyi eyi ezipụta nke ha. Anyị ga-ahụta nke a n'ahịrị abụ ndị si etu a dị; 'Erimeri na-adị mma…, ka ọ mụtara anyị nwa, … k'anyị taba okporoko…' tinyere abụ olu nwa, mgbakwụnye abụ 1 ebe ọ sị: 'Ahụ na-atọ m ka mụ na-aga n'ugbo.. m lọta, m nụrụ olu nwa'. Naanị ụmụ nwoke obi dị mma ga-enwe ohere ịbụba ụdịdị abụ, ndị iwe juru obi agaghị abụ ya. Ọzọ dịka ibe ya, ogbo ha ndị nwaanyị na-ezipụta nke ha n'abụ dịka: 'ọbụghị ma nwa onye ga-enye m' mgbakwụnye abụ 5. Ha na-esite n'ụzọ di etu a kpọpụtachaa ihe òyìyì na ihe nnweta dị ka jịọjị, ọla ntị, aịpaadị na ọtụtụ ndị ọzọ na-enye ha obi ụtọ.

**Abụ mbufe ihe ọma**

E nwekwara abụ ọṅụ nwa ndị Igbo na-eji ebufe ihe ọma site n'otu onye ruo na ibe ya. Mgbe a na-abụ ụdị abụ ndị a, ndị na-agba ya bụ ndị chọrọ nwa ma ọ bụ ndị one nke ha na-achọ nwa na-abụ ma were ihe mmegharị ahụ egosipụta ihe nnara ya bụ ihe ọma. A bụ zipụtara nke a bụ abụ nke 11 na mgbakwụnye mabụrụnke si etu adị:

Nzọrọ nzọtọ
Nzọrọ nwa n'ọkpa

**Abụ olu ekere**

Ndị Igbo na-esitekwa n'abụ ọṅụ nwa dịgasị iche iche wee na-ekere Chukwu abịaama bụ oneye mere ka nwaanyị buo afọ ime n'udo ma mụkwaa nwa ya n'udo. Ihe ha ji eme nke a bụ n'ihi na ha maara nke ọma na o bụ Chineke ka ọ dịịrị ichekwaba nne na nwa, ọ bụzi nke mere ha ji aba aha dịka Chisimdị nke mkpọrụ n'isi ya bụ "Chukwu sịrị m dịrị ndụ". Abụ na-ezipụta ozi ekere nye Obinigwe bụ abụ nke 12 na mgbakwụnye abụ. Ya a bụ "Ihịa Ihịa Ihịa eee ooo"!

**Nchịkọta, mmechi na aro**

Nchọcha a chịkọtara ma chọpụta ọtụtụ isi okwu banyere abụ ọṅụ nwa ndị a dị ka ha si metụta obodo dịgasị iche iche. A chọpụtara na abụ ndị a bụ ndị juputara n'ihe: nkụzi, ndụmọdụ, agbamume, ozi ekele nye Eke kere ụwa, ịja ike nye ụmụ nwaanyị na okwu ndụmọdụ nye ndị amụtabeghị nwa. Nchọpụta ndị ọzọ bụ dị ka o si metụta myiri na ndịiche dịgasị na ha, ebe ha metụtara ụdị abụ ha bụ, isi okwu ha dị iche iche. N'ebe o metụtara mbunuche, a chọpụtara na ha bụ abụ nkuzi, isi okwu ha gụnyere ihe nnweta, ịhụnanya, arịrịọ na ajamike/agbamume.Tinyere na atụtụ Fairlcough kwuru ka e were ihe ndị hụrụ anya na ihe ndị nụrụ na ntị

were. Nere ha aka bụ nke pụtara n'ọrụ ebe a. Nchọcha a chọpụtara na abụ ndị a dịgasị n'ụdị n'ụdị dị ka: (i) abụ otito nye Chineke, abụ ịja ike na ịgba ume nye nwaanyị mụrụ nwa, abụ igosi ndị di ịhụananya pụrụ iche ha nwere ebe ha (ndị di ha) nọbụkwanụ nke ndị na-esi nay a zipụta obi aṅụrị ha nwere. (i) nwere **isi okwu**, nke a bụ nke pụtara ihe site ndịna na mmejupụtara nghọta dịgasị na ha. Ụfọdụ n'ime isi okwu pụtara ihe n'abụ ọṅụ nwa ndị a atụchara gụnyere: abụ ọṅụ nwa dị ka ihe nnweta, abụ ọṅụ nwa dị ka ihe ịja ike ma ọ bụ ịgba ụme nye ndị nne, abụ ọṅụ nwa dịka ụzọ izipụta ịhụnanya. (iii) echiche, anyị hụtakwara echiche ezi mmekọrịta mmadụ n'ibe ya n'ime ụfọdụ abụ ọṅụ nwa ndị Igbo ga.

Nchọpụta ndị a zara ajụjụ nchọcha ma mejupụtakwa mbunuche nchọcha site n'igosipụta na e nwere nke n'ụdị, isi okwu na echiche abụ ọṅụ nwa Igbo bu aga. ke a mezịrị ka ọ daba na nchọcha Okanume (2016) na Ihedigbo (2017) mere wee kọwaa na isi okwu abụ ọ bụla na-abụ ihe nkụzi nye gburu gburu ebe a gụrụ ya site na nghọta ọdibendị ha. A bịakwa n'atụtụ, nchọpụta ndị a dabara n'ihe Finnegan (1977) kwuru mgbe ọ sị na ọ bụghị naanị okwu ọnụ mejupụtara abụ ọnụ kama na ihe emereme na mmeghari ahụ socha. Ebe ogbo ya bụ Faircloough (1985) n'ime Ndiribe (2017:137) kọwara ka e were ihe ndị a na-ahụ anya ma na-anụ na ntị were gbaziere ihe.

Dị ka anyị mara na nkụ dị na mba na-eghere mba nri, abụ ọṅụ nwa na abamaba dịgasị iche iche bụ nke jezuru omenala niile. N'ebe a, anyị hụrụ na obodo niile nọ n'ala Igbo (Mbaukwu Anambra; nwere abụ aṅụrị ha ji anabata nwa a mụrụ ọhụrụ. Nchọcha a chọpụtakwara na abụ ndị a nwere usoro e si ahazi ha, ha na-enwe isi okwu bụ nke mpụtara ha nwere echiche ha na-ezipụta. Iji zipụta nke a nchọcha a tulere isi okwu dị iche iche ma were ha tụnyere echiche abụ ọṅụ nwa ụfọdụ.

Nchọcha a na-atu aro ka ndị obodo dị iche iche na-ada mba n'omenala ha teta n'ụra n'ihi na ọ bụ njiri mara ndị bụ ndị. Ndị Igbo nwere ọtụtụ abụ ọnụ na-akuzi ọtụtụ ihe, n'ihi ya, o kwesịrị ka ha jisie ike kwalite abụ ndị a iji nye aka kwalite ezi agwa na nghọta nye ndị di na ndị nwunye site na mmemme ha na-emegasị were si na ya weta udo na ezi na ụlọ. Anyị na-ekwukwa ka ndị nne ọgbara ọhụrụ ghara ịhụtazị abụ ọṅụ nwa dị ka ihe megidere okwukwe ha n'ihi na okwukwe bụ naani onyinye mmụọ Chukwu ji eme ọgọ, ọ bụghị ndị, ileghara ihe e jiri mara ha anya. Ndị ọchọcha kwesịkwara imere nchọcha na-aga n'ihu ọ kachasị n'asụsụ Igbo iji wepụtacha ọtụtụ omenala anyị a na-echezọcha echezọ maka mwulite na mmepe obodo.

**Nrụmaka**

Abrams M.H. (1964). *A Glossary of literary term*. New York: Holkt, Rinehart and Winston.

Chiluwa, I. (2009). Ethno-pragmatics of ọṅụ nwa performance of Igbo of Nigeria. *Journal of Multicultural Discourses*, 4(3),

279-295.
Tedlock, D. (1983). *The spoken word and the work of interpretation*. Philadelphphia: University of Pennsylvnia Press.
Chinagọrọm, L.C. (2013). *Uru ezi akanka n'agụmagụ Igbo ugbua.* Owerri..
Ebeogu, A. (1982). Feminist temperament in Igbo birth songs. N'ime R. Granqvist & N. Inyama (Eds.) *Power and powerlessness of women in West African orality* (ihu 43-62). Sweden: The Printing Office of Umea University.
Egudu, R.N. (1978). *The study of poetry*. London: Manto Publishers.
Egudu, R.N. & Nwoga, D.I. (1971). *Poetic heritage*. Enugu: Nwankwo-Ifejika Press.
Fairclough, N.L. (1995). *Critical discourse analysis*. London: Longman.
Finnegan, R. (1977). *Oral poetry in its nature,significance and social context.* London: Cambridge University Press.
Finnegan R. (1987). *Oral literature in Africa*. Nairobi: Clarendon Press.
Hymes, (1982). Narrative form as a grammar of experience: Native American and a glimpse of English. *Journal of Education* 164,(121-125.
Ihedigbo, R.E. (2017). A report of preliminary findings on theme and style of Igbo birth songs. Semịna A Gụpụtara Maka Nnweta Nzere Ph.D N'agụmagụ, Ngalaba Amụmamụ Sayensi Asụsụ, Mahadum Naịjirịa, Nsụka.
Ikeokwu, E.S. (2001). *The aesthetic and socio-cultural significance of AboMbaise oral poetry*. Semịna A Gụpụtara Maka Nweta Nzere M.A. N'agụmagụ na Ngalaba Amụmamụ Sayensi Asụsụ, Mahadum Naịjiria, Nsụka.
Mbah, B. M. & Mbah, E. (2007). Azuonye: Lectures on Igbo stylistics. Enugu: University of Nigeria Press.
Mbah, B.M. & Mbah, E.E. (2014). *Atụtụ Amụmamụ Asụsụ*. Enugu: University of Nigeria Press.
Mbah, B.M., Mbah, E.E., Ikeokwu, E.S., Okeke, I.M., Nweze, C.N. Ugwuona C.N., Akaeze, C.M., Onu, J.O., Eze, G.O., Prezi,G.O. na Odii, B.C (2013). *Igbo Adị Igbo-English, English- Igbo Dictionary of Linguistics and Literary Terms*. Enugu: University of Nigeria Press.
Ndiribe, M.O. (2017). Critical discourse analysis. N'ime B.M. Mbah (Ọhz.) *Theories of contextual linguistics* (137-147). Awka: Amaka Dreams.
Nwadike, I.U. (2003). *Agụmagụ ọdịnala Igbo*. Onitsha: Africana First Publishers.
Nwadike, I.U. (2012). *Igbo language in education: An historical study*.Obosi: Anambra.
Nwoga, D.I. (1982). *Rhythms of creation: A decade of Okike poetry*. Enugu: Fourth Dimension Publisbers.
Okanume, A.C. (2016). *Features of Osina funeral poetry*. Semịna A Gụpụtara Maka Nnweta Nzere Ph.D. N'agụmagụ, Ngalaba Amụmamụ Sayensi Asụsụ, Mahadum Naijiria, Nsụka.
Okebalama, C.N. (2003). *Mkpọlite Agụmagụ Ọnụ Igbo*. Enugu: SNAAP Press.
Okebalama, C.N. (2007). Rhetoric in Igbo hunting poetry. N'ime, B. N. Anasiudu, G.I. Nwozuzu & C.N. Okebalama (nd.ọhz). *Laguage and Literature in a developing country* (187-199). Onitsha: Nigeria.
Okechukwu U. (1999). Women: Marriage and bearing in Igbo traditional poetry. *UNIZIK Journal of Arts and Humanities,* 1(1), 15-27
Okereke, U. (2005). *Abụ ngụgụ nwa n'Isuochi*. Nchọcha e mere maka nweta nzere B.A.,N Ngalaba Amụmamụ Sayensi Asụsụ, Mahadum Naijiria, Nsụka.
Okpoko,A.I. na Ezeadịchie, E.U. (2002). Cultural heritage and sustainable development in Africa. *Nsukka journal of humanities*. No. 12, 2002. 1.
Okorongwu, H. (2006). *Nnyocha abụ ọnụ nwa n'Isiagu.* Nchọcha e mere maka nnweta nzere B.A., Ngalaba Amụmamụ

Sayensi Asụsụ, Mahadum Steeti Abịa.
Shokpaka, S.A. (2002). Women in history of pre-colonial Nigeria: The example of women in Edo. *Nsukka journal of humanities*, No. 12, 2002. 110.
Ụzọchukwu, S. (2006). *Traditional birth poetry of the Igbo*. Lagos: Sam Orient Publishers.
Ọgbalụ, C. (1981). *Ndụ ndị Igbo*. Onitsha: Univerty Publishers.

## Mgbakwụnyere

| **Abụ ọṅụ nwa n'olundị keasụsụ Igbo** | **Ngụpụta ha n'Igbo Izugbe** |
|---|---|
| **Abụ 1**. **Abụ ọṅụ nwa ndị Ikwo** | |
| Olu nwa eeh | Olu nwa eeh |
| Olu nwa eeh | Olu nwa eeh |
| Obu atsọ m ene nteke m leje egu | Obu na-atọ m ka mụ na-aga n'ugbo |
| Teke lalụ m egenchị nụrụ olu nwa | M lọta, m gee ntị nụrụ olu nwa |
| **Abụ 2: Abụ ọṅụ nwa ndị Mbaanọ** | |
| Erimeri na-adị mmā | Erimeri na-adị mmā |
| Erimeri. (2x) | Erimeri. (2x) |
| Ọnwụ egbule nwàànyị | Ọnwụ egbulà nwàànyị |
| N'afọ ime ka a mụọrọ anyị nwa | N'afọ ime ka ọ mụtara anyị nwa |
| K'anyị taba okporoko | K'anyị taba okporoko |
| Ṅụwa mmanyị ngwọ | Ṅụba mmanya ngwọ |
| **Abụ 3: Abụ ọṅụ nwa ndị Item** | |
| Were yoo. | Were yoo. |
| Eje m lụa woo. | Eje m lụta ooo. |
| Isi woo. | Isi ya ooo. |
| Ụlọ woo. | Ụlọ ya ooo. |
| Ụmà onye oke moo. | Nwa onye nwoke ooo. |
| Ụmà moo. | Nwa onye nwaanyị ooo. |
| **Abụ 4: Abụ ọṅụ nwa ndị Item** | |
| Onye O bụla bụtụ aka n'aghari isi, aghari isi. | Onye O bụla metụ aka n' isi, isi. |
| Onye ọ bụla bụtụ aka n'aghari ọkpa, aghari ọkpa. | Onye ọ bụla metụ aka n' ọkpa, ọkpa. |
| Onye ọ bụla bụtụ aka n'aghari ahọ, aghari ahọ | Onye ọ bụla metụ aka n' afọ, afọ |
| Onye ọ bụla metụ aka n'ego Orie, ego Orie | Onye ọ bụla metụ aka n'ego Orie, ego Orie |
| Ego Orie, Ego Orie…. | Ego Orie, Ego Orie…. |

**Abụ 6 Abụ ọṅụ nwa ndị Mbaukwu**

Nne nwa leee!
A mụshiri gi ike.
Oo nwaanyị mma eeee.
A mụzjiri gị ike.
Nwa gị nwa leeee!
A mụzjiri ya ike.

Di gị nụ oo!
Amụ zjiri ya ike.
Potorịba na ụwa atọka!
Amụ zjiri ya ike.

Nne nwa leee!
A mụsiri gi ike.
Oo nwaanyị mma lelele.
A mụsiri gị ike.
Nwa gị nụ leeee!
A mụsiri ya ike.

Di gị nụ oo!
Amụ siri ya ike.
Potorịba na uwa dị ụsọ!
Amụ siri ya ike.

**Abụ 7: Abụ ọṅụ nwa ndị Mbaukwu**

Goolụ ya golụdụ oooo.
Goolụ ya, goolụ ya, goolụ ya.
Goolụ ya goldụ ooo
Goolụ ya ije nwa **zjiri** ike.

Goolụ ya moto oooo.
Goolụ ya, goolụ ya, goolụ ya.
Goolụ ya moto ooo
Goolụ ya ije nwa **zjiri** ike.

Goolụ ya golụdụ oooo.
Goolụ ya, goolụ ya, goolụ ya.
Goolụ ya goldụ ooo
Goolụ ya ije nwa siri ike.

Goolụ ya moto oooo.
Goolụ ya, goolụ ya, goolụ ya.
Goolụ ya moto ooo
Goolụ ya ije nwa siri ike.

**Abụ 8: Abụ ọṅụ nwa ndị Ẹzaa**

Ọmụrụ nwa leta ṅwa ṅụ enya réé
Nwa bvụ ụwa ọma ééh
Onye nwụrụ nwa leta nwa ṅụ ẹnya
Nwa bvụ uwa ọma
Nwa karịrị ego igwe

Ọmụrụ nwa leta nwa ya anya
Nwa bụ ụwa ọma eee
Onye mụrụ lwa neta nwa ya anya
Ya anya nwa bụ ụwa ọma
Nwa karịrị ego igwe.

**Abụ 9: Abụ ọṅụ nwa ndị Ẹzaa**

Ọnụrụ ẹkwa nwa eeh eeh
Aaa hééé
Onye nụrụ ekwa nwa mee
Ẹgwa ẹgwa le ọtọdụ onyelanụ nwe nwa

Ọnụrụ akwa nwa éé
Aaaā ééé
Onye nụrụ akwa nwa mee
Ngwa ngwà na ofu onye amụghị nwa.

**Abụ10: Abụ ọṅụ nwa ndị Ọnịcha**

Olisa nye m nwa, nyekwaa mụ egō oo.
Olisa nye m nwa, nyenụ mụ egō oo.
Egō nwa akọna m.
Ụgbụ amala go goo.

Oyoyooo, ụgbọ ego amala n’óséé.
Ka anyị jee kute nwa, nwa.
Chukwu nyele anyị oo.
Olisa nye m nwa, nyenụ m egō.

Olisa nye m nwa, nyekwaa mụ egō oo.
Olisa nye m nwa, nyenụ mụ egō oo.
Egō nwa akọna m.
Ụgbụ amala go goo.

Oyoyooo, ụgbọ ego amala n’óséé.
Ka anyị jee kute nwa, nwa.
Chukwu nyele anyị oo.
Olisa nye m nwa, nyenụ m egō.

**Abụ11: Abụ ọṅụ nwa ndị Nimo**

| | |
|---|---|
| Nzọtọ nzọtọ | Nzọtọ nzọtọ |
| Nzọlụ nnwa n'ọkpa | Nzọlụ nnwa n'ọkpa |
| Nzọlụ iheoma | Nzọlụ iheoma |
| Nzọlụ nnwa n'ọkpa | Nzọlụ nnwa n'ọkpa |
| Nzọlụ akụ na ụba | Nzọlụ akụ na ụba |
| Nzọlụ nnwa n'ọkpa | Nzọlụ nnwa n'ọkpa |

**Abụ 12: Abụ ọṅụ nwa ndị Mbanọ**

| | |
|---|---|
| Ihịa ịhịa ịhịa eee ooo ooo! | N'ezie n'ezie n'ezie ooo ooo! |
| Ooo Chineke I meela oo | Ooo Chineke Ị meela oo! |
| Ọ mụrụ nwa nwoke ooo | Ọ mụrụ nwa nwoke ooo |
| Onye ji akụ weta nga oo! | Onye ji akụ weta nga oo! |

**Abụ 13: Abụ ndị Ndufu-Alike**

| | |
|---|---|
| Ayị mụrụ nwata | Anyị mụrụ nwata |
| Nwata nwoko | Nwata nwoke |
| Onye achị ayị | Onye achị ga-achị anyị |